Mmemme Ili Akwaḷị N'obodo Eke

Nke
Magnus Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniago@unn.edu.ng
+2347064977068

Ibenekwu Ikpechukwu E
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka
ikpe.ibenekwuunn.edu.ng
+2348037786363

Gift Agbo
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka gift.agbo@unn.edu.ng
+2348136332349
*Correspondence author

Ụmị Edemede

Ji bụ eze nri ndị Igbo. Ọ bụ ya mere na Igbo anaghị eji ihe gbasara ji egwu egwu. Ọnọdụ ji dị elu nke na a na-emere ya nnukwu omenaala tupu a malite riwe ya. Ndị nchọcha Edemede a lebara anya ka mmemme iri ji ọhụụ nke ndị Eke na-akpọ akwaḷị si dị. Ha gbadoro ụkwụ n'ihe ndị ha jiri anya ha hụ, nke a gụtara n'akwụkwọ, na nke e dere n'inteneet were me nchọpụta. Ha gbasoro ụzọ nchọpụta nke ihe a na-ahụ n'anya were mee nchọpụta ha. Nnyocha ha gosiri na ndị Eke na-eme oriri ji ọh dị ka mba ndị ọzọ dịgasị n'ala Igbo ma ihe dị iche dịkwa ebe ụfọdụ gụnyere iti mmọnwụ, ịba mmọnwụ, egwuregwu, na mmemme ndị ọzọ dị iche iche. A na-emekwa ya ụzọ abụọ, nke ọkọchị, na nke udummiri. Nke ọkọchị bụ nke e ji akọnye ji n'ala, gwa ndị mmọọ, ka ha chedo ihe a kọrọ n'ugbo mee ka ha

mepụta nke ọma. A bịa na nke udummiri, e ji ya asị Obinigwe, ya daalụ na o mere ka ihe a kọrọ n'ugbo mee nke ọma.

Ọkpụrụkpụ okwu: Ji ọhụụ, akwalị. ndị mmọọ, mmọnwụ, Obute

Mkpọlite

E ji omenaala dị iche iche mara ndị Igbo. Ha so n'otu mba Africa jidesiri omenaala ha ike n'agbanyeghị ka omenaala ndị mba ụwa ndị ọzọ si na-awanye isi n'ebe ha nọ.

Omenaala ndị a gụnyere iti mmọnwụ, iri ji ọhụụ, ichi ọzọ, ile ọmụgọ, na ọtụtụ ndịị ọzọ. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenaala ha. Omenala ndị ka e ji ama ha. Ogbonna (2015) kọwara omenaala dị ka ụzọ obodo ma ọ bụ agbụrụ dị iche iche si ndụ. Okoye (2016) kọwakwara na omenala ndị bụ ka ha si eche uche na ka ha si eme. N'aka nke ya, Eze (2015) kọwara omenala ka usoro obodo ma ọ bụ mba dị iche iche si eme ihe n'ụzọ ebimụndụ nke agbụrụ ha ma ọ bụ obodo ha. Asụsụ Igbo so n'otu omenaala ndị Igbo jiri biri n'ihi na e kwuru na obodo ọbụla tufuru asụsụ ha etufuola ezigbo njirimara ha. Igbo so n'otu agbụrụ kacha dị ukwu na Naijiria. A ga-ahụ ha na steeti dị ka Anambra, Enugwu, Ebonyi, Abịa, Imo, Delta, Kogi, Rivers, na Benue. Ha bigasikwa n'ọtụtụ steeti bụ nke esoghi na steeti ndị a na-agụnye na steeti ndị dị n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ka a mata na ụfọdụ n'ime steeti ndị a ndị Igbo bi na ha abughị naanị ha bụ agbụrụ nọ na steeti ndị ahụ. O nwere agbụrụ ndị ọzọ ya na ha nwere oke dị ka na Benue, Kogi, Delta, na Rivers.

Ndị Igbo bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Ihe a bụ aka ọrụ ha tupu ndị ọcha abịa. Ndị ọcha bịara weta agumakwụkwọ nke ndị Igbo titara isi tinye n'ime ya n'ihi na ha bịara chọpụta uru dị n'ime ya. Ọtụtụ ụmụ Igbo agụọla akwụkwọ nọrọ n'ogo ọkwa dị iche iche. Ọtụtụ omenaala Igbo efuola n'ihi mmekọrịta ha na ndị mba ọzọ, ma ha jisikwara ọtụtụ omenaala

ha ike. O nwere omenaala ndị bụ ozuruigbo ọnụ, nwekwaa nke obodo ọbụla na-emere onwe ha, ọ bụrụ njirimara ha.

Eke dị n'okpuru ọchịchị Udi nke dị na Steeti Enugwu, Naijiria. Obodo ndị gbara ya gburugburu bụ: Oghe, Ebe, Ngwo, na Nsude. Eke nwere mpaghara ise maọbụ ogbe ise mebere ya. Ogbe ndị a bụ: Amankwọ, Ọma, Enugwu, Ogwii, na Amọfia Eke. Obodo a nwere ọtụtụ omenaala nke gụnyere: ịgwa nshị, mmemme akwalị, ekeanị, ichi ọzọ, wdg.

Eke nwere ahịa abụọ pụtara ihe nke bụ Ahịa Nkwọ na Ahịa Eke. A na-azụ ha abụọ otu ebe. A na-ere ọtụtụ ihe n'aha ndị a. Ụfọdụ ihe a na-ere n'ime ha bụ ihe ndị a kọrọ n'ugbo, na ihe ndị a rụrụ arụ. Ụfọdụ ndị si obodo ọzọ sokwa na-abịa ahịa ndị a.

Mmemme akwalị bụ mmemme e ji eri ji ọhụụ n'obodo Eke. Ọ bụkwuazị nke e ji akọnye ihe n'lala. Ihe nke a pụtara bụ na mmemme a dị ụzọ abụọ, nke ọkọchị na nke udummiri. Akwalị ọkọchị bụ nke e ji akpọku ndị mmọọ, ịgwa ha na a malitewela ịkọnye ihe n'ala, na a chọrọ enyemaka ha. N'akwalị ọkọchị, a na-aga n'okwu arụsị mee ka ọ mata na ịkọnye ihe n'ubi eruola.

A ga-akpọku ndị mmọọ rịọ ha ka ha nye aka mee ka ihe a ga-akọ n'afọ ọkụkọ ihe ubi ahụ gaa nke ọma ma mịta ezi mkpụrụ. E mechaa nke a, a ga-amalite riwe oriri, ńụwa mmanya. Mmemme a na-ewe ihe dị ka mkpụrụ ụbọchỊ anọ. Ụmụokorobịa na ụmụaka ga na-agagharị na-eti mmọnwụ ịgarịga. A na-eti mmọnwọ, a na-aga be ndị dị iche iche, na-eri nri, na-aṅụ mmanya, na-ata anụ., onye nọchie ụzọ, a pịa ya ụtarị. ụmụaka ga naagagharị, ha na mmọnwụ ana-agbagharị.

N'ime mmọnwụ ndị a, o nwere nke a na-akpọ Obute. Obute bụ okenye mmọnwụ na-agụ egwu, na-ajụ ọha mmadụ ajụjụ. Ajụjụ ya na-esi ezigbo ike. Ọ na-ahịa ahụ ịzata ajụjụ Obute na-ajụ nke ọma. Ọ bụ ya ka e ji ewere

Obute ka mmọọ maara nnukwu ihe. Otu ajụjụ Obute jụrụ otu ụbọchị nke gbagwojuru ndị mmadụ anya n'ịza bụ na ọ jụrụ sị, kedụ ihe bu ụzọ tibe mmọnwụ tutu mmadụ etie mmọnwụ? O nweghị onye nọ n'gbakọ ahụ nwere ike zaa ajụjụ ahụ. Ndị mmadụ bidoro na-etu mmọnwụ ahụ aha. Obute na-agụ egwu dị omimi. Ihe ọ na-ekwu n'egwu ọ na-agụ na-egosi amamihe, dịkwa omimi. Ọtụtụ oge, ọ bụ ndị okenye na-aghọta mpụtara dị n'ime egwu ndị ahụ na-akọwara ụmụaka naeto eto.

N'oge udummiri, a na-erikwa oriri akwalị. N'oge dị otu a, a na-ewere ya ka mmemme iri ji ọhụụ. A na-aga n'okwu arụsị kelee ndị mmọọ na ndị ichie maka na ha mere ka ihe a kọrọ n'ubi mee nke ọma. Ana-emekwa mmemme ya mkpụrụ abalị anọ dị ka ọ dị na nke akwalị ọkọchị. A na-etikwa mmọnwụ etu o si dị na nke ọkọchị. Mmọnwụ ga naagagharị, na-aga be ndị mmadụ, a na-eri nri, na-aṅụ mmanya, na-ata anụ. N'oge ahụ kwa ka ọtụtụ ndị na-etolite etolite ji aba mmọnwụ nke bụ emume e ji eme ka onye ahụ mara ihe mmọnwụ bụ. Ọ na-abụ nnukwu ihe nye ndị dị otu a. A ga-eduru ndị ahụ a gaaba mmọnwụ gaa n'ọgba mmọnwụ, ebe mmọnwụ ga-ebu ụzọ yie ha ezigbo egwu tupu ha mata ihe ọ bụ.

Iri akwalị udummiri na-abụ nnukwu ihe ọṅụ. Mmọnwụ ga-esi otu ogbe kwere egwu naaga n'ogbe ọzọ. Ndị mmadụ ga na-enugharị eso ndị mmọnwụ a n'azụ mgbe ha na-aga njem dị otu a. Site na mmemme a ka onye ọbụla ga-amalite iri ji ọhụụ etu masịrị ya. Ọ bụ ihe doro anya n'omenala Igbo, na o nwere ndị anaghị ekwe na ha ga-emetu ji ọhụụ ọnụ ganye na e mee omenaala iri ji ọhụụ. Ọ bụ ihe kwesiri ka a mata na omenaala a anaghị adịchazị ire dị ka ọ dị n'oge gboo. Ihe nwere ike bute ya bụ na ihe ndị mmadụ naachụgharị n'oge dị ugbu a karịrị akarị nke bụ ụfọdụ anaghị enwekwa ohere nọdụ ala mee omenaala. Ndị bụ ndị ezigbo ọrụ ugbo ugbu a dị ole na ole ma e jiri ya tụnyere igwe mmadụ aka ọrụ ha bụ ọrụ ugbo n'oge gboo. N'agbanyeghị ka ọnọdụ a si dị ọtụtụ mmadụ na-agba mbọ ịhụ na omenaala gbasara oriri ji ọhụụ nọgidesiri ike. Ọ bụ ya mere na e nwere nnukwu emume nke a na-akpọ' Ahajiọkụ nke a na-eme

afọ niile n'Owere.' Ndị na-ekpokobe mmemme a na-agba mbọ ka ha hụ na ọ bụ ihe jikọrọ ụmụ amaala Igbo niile ọnụ. Ya bụ mmemme adịla ukwu nke bụ na ọ na-akpụkọta ọtụtụ ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ala Igbo. Ha jikwa ohere dị otu a atụpụta atụmatụ ga-eme ka ala Igbo dị mma.

Edensibịa

Leonard Eze of Enugwu-Eke, Eke. Interviewed 17-09-2015

Eze, Leonard of Enugwu Eke. Interviewed 17-09-2015 Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Ọwa. Interviewed 14-03-2015

Thaddeus Aniago of Enugwu-Eke, Eke. Interviewed 16-03-2014.

Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka Journal of Humanities. 27(2) 15-28.